**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0256**

## JỌN 9:1-41

*Jisọs meghere anya onye kpuru isi site n'afọ nne ya n'ime Jerusalem(ọlụ nke ise), Ndepụta nke ọlụ ebube ahụ; Ihe ndi madụ mere banyeere ọlụ ebube ahụ*

Onyenweanyị nọ na-akọwa banyeere ihe nke ụwa a. Ndi Juu chọrọrị igbu Ya nihi na Ọ na-akụrụ na Ya bụ Chineke. Jisọs "zoro rị" Onwe Ya wee site n'Ulo-Nsọ uku ahụ pụa, "site n'etiti ha gafere"(Jọn 8:59). Ọ bụ site na ọlụ ebube ka O jị gbanarị igwe madụ ndi a iwe na-ewe megide Ya. Ha enweghị ike ijide Ya nihi na oge Ya aka-erughị ịnwụ.

Ihe omume ọzọ sochirị nke a ka bụ ihe na-eso nkọwa banyeere ihe nke ụwa a ahụ.

### *JISỌS MEGHERE ANYA ONYE KPURU ISI SITE N'AFỌ NNE YA N'IME JERUSALEM(ỌLỤ NKE ISE)*

***Mḇe Ọ nāgabiga, Ọ hu otù nwoke nke kpuru ìsì site n'ọmumu-ya[Jọn9:1].***

Ezi nghọta na-egosi na akụkụ banyeere JisọS na nwoke-isi a dabara na nkwupụta ahụ Jisọs kwụpụtara sị, "Mụ Onwe M bụ ihe nke ụwa a"(Jọn 8:12). Ekwesirị ịhụ na nwa oge agabighawo n'etiti ihe edere na Jọn 8 na nke edere na Jọn 9 nihi na njem Ya bụ nke na-egosighị ime ngwa ngwa ugbu na—"Dịka Jisọs narị-agafere."

### *NDEPỤTA NKE ỌLỤ EBUBE AHỤ*

Nke a bụ nanị otu mgbe Onyenweanyị gwọrọ onye amụrụ n’isi site na afọ nnne ya.

So M gụa Jọn 9:2-7:

*“2 Ndi nēso uzọ-Ya we jua Ya, si, Rabai, ònye mehiere, onye a, ma-ọbu ndi muru ya, nke mere ka amua ya n'ìsì? 3 Jisus zara, si, Onye a emehieghi, ndi muru ya emehieghi kwa: kama ka ọlu Chineke we puta ìhè n'aru ya. 4 Ayi aghaghi ilu ọlu Onye ziterem, mḅe ubọchi fọduru: abali nābia, mḅe ọ dighi onye ọ bula puru ilu ọlu. 5 Mḅe ọ bula M'nọ n'uwa, abum Ìhè nke uwa. 6 Mḅe O kwusiri ihe ndia, Ọ bua ọnu-miri n'ala, were ọnu-miri ahu gwọ ájá, were ájá ahu te n'anya-ya abua, 7 si ya, Je sa miri n'ọdọ-miri ntà nke Sailoam (nke bu, ma asugharia ya, Onye eziteworo). Ya mere O jere, sa miri, bia kwa nāhu uzọ.*

Ndi na-eso ụzọ Ya chọrọ ịchọpụta ihe kpatara ọnọdụ nwoke a. Ha chọrọ ịchọpụta onye aga ebo ebubo banyeere ihe nwoke a na-agabigha. Ya mere ha jụrụ Ya ka Ọ gwa ha onye nmehie butere ikpu-isi ya. Ajụjụ dị otu a na-egosi otu ụmụ madụ ji na-ele ọrịa anya na mgbe ochie. N’echiche ha, ọrịa na ịta ahụhụ na-abụ ihe sitere na nmehie ma ọ bụ iwe Chineke na-abịakwasị ndi madụ.

Ọ bụrụ na ejiri ya tụlee otu anyị si ahụ ọrịa taa mgbe puku arọ abụọ gabighawororị, nkpebi ha ahụ ga-aghọ ihe ọchị dapụtara site na-enweghị mmepe anya. Ma n’ezie nkpebi dị otu a o ziri ezi? Nihi na, na-agbanyeghị nchọpụta na amụmamụ ndi dị ugbu a na nka-ịgwọ-ọrịa, anyị ka na-ahụkwa otu ụdị nsogbu ndi ahụ ruekwa taa. Ọ bụ ihe dị otu a mere nke bụ ezi ajụjụ dị ugbu a ji bụrụ, Ọ bụ gịnị na-akpata ọrịa na ọnwụ? Anyị pụrụ ịma ihe amụmamụ sayens kụziri bụ ihe ndi na-akpata ha, nweekwa ike ime ihe ụfọdụ iji gbanarị ibụte ha wee gwọọ igwe ọrịa dị iche iche. Ma nke bụ ezi-okwu bụ na anyị ka na-achọ ịmata ihe omimi ka ukuu dị n’inwe arụ-isi-ike na ịmata ihe na-ebute ọrịa.

O nwere ike bụrụ na ha nwere ụzọ azịza anọ ha ga-aza n’ọgbọ ha ahụ. Ndi na-ekpeere arụsị nke ọgbọ ahụ, dịka anyị ka nwe ha rue taa, kwere na ana-alọ ụwa alọ nke pụtara na ọrịa ụfọdụ na-adị n’agbụrụ n’agbụrụ,.

nihi nmehie ndi emererị mgbe abịaworo n'ụwa mbụ. Ndi mba Hibru anabataghị nkọwa dị otu a. Enwekwara ụfọdụ nakweere na ana-eketa ụfọdụ ọrịa site na agbụrụ, ụmụ, rue n'ụmụ-ụmụ nke ọgbọ nke atọ ma ọ bụ nke anọ nke agbụrụ, na-anara ịta ahụhụ dịịrị nmehie ndi nnanna mehiere(Ọpụpụ 20:5). Anyị maara na ihe dị otu a dị adị nihi na ụfọdụ ọnọdụ nke ikpu-isi pụrụ isite na nmehie nke ndi nne na nna. Ọzọkwa, bụ nkọwa ahụ kwuru na nmehie nke Adam gafeere ihe nile bụ madụ amụrụ site n'agbụrụ ya mee ka onye ọbụla n'ime ha bụrụ ihe na-arịa ọrịa nakwa anwụ anwụ. Nke ikpeazụ ya bụ na ndi rabayị n'etiti ndi Juu kweere na nwata nọ n'afọ nne ya pụrụ ime nmehie.

Jisos azaghị ha ihe gaara amasị ha ịnụ. Ọ sị na ihe dị mkpa abụghị ijegharị ịchọ onye mehiere n'ọgbọ gara aga, ma ọ bụ chọpụta onye ikpe mara nihi nmehie. Ihe dị mkpa bụ ịgwọ nwoke ahụ. Ọ bụ ezi okwu na mgbochi ọrịa ka nma karịa ịchọ ụzọ ịgwọ ya agwọ, ma mgbe ọrịa bịaworo ihe dị mkpa bụ ka agwọọ ya agwọọ.

Chineke site n'amamihe Ya nwere ihe mere O ji kwe ka arụ mgbu, ọrịa na ịta ahụhụ na nsogbu dịrị. Chineke abụghị mgbe nile ka Ọ na-eme ka anyị hụ ihe mere O ji kwe ka ihe ụfọdụ dịrị. Ụkpụrụ nke Chineke dị iche, ma Ọ dịghị achọ ịgwa anyị ihe mere O ji eme ọtụtụ ihe Ọ na-eme. Ọ na-asị anyị jiri okwukwe gbaso Ya mgbe ọchịchịrị nke ndụ a na-abịakwasị anyị.

Chineke kere mụ na gị iji mee Onwe Ya obi ụtọ. O keghị anyị ka anyị nọrọ n'ụwa mee onwe anyị madụ pụrụ iche dị ukuu. O kere anyị iji gosi ebube na ịdị ike na ịdị ukuu Ya. Anyị jụ ịnabata nke ahụ anyị ajụwo ebum n'uche onye ahụ kere anyị. Nnwale na ịta ahụhụ ndi ahụ na-abịakwasị anyị nihi na ha na-ewepụta ịdị ukuu nke Chineke. Onye isi a site n'ịnata ọgwụgwọ ya ga-ewetaara Chineke otuto na nkwanye ugwu. Ọ bụghị nanị na ọ ga-ahụ ụzọ kama ọ ga-ahụ Jisọs wee si otu ahụ mara Onye Jisọs: na Ọ bụ Onye-nzọpụta nke ya onwe ya.

Jisọs laghachiri ugbu a n'okwu mbụ ahụ O kwuru nke bụ, "Mụ Onwe M bụ ihe nke ụwa a." Ọchịchịrị nke abalị na-eme ka madụ nile kpue isi. Ha anaghị ahụ ụzọ nke ọma. Kraịst bụ ihe nke ime mmụọ nye ụwa a, nke bụ na ewezugha Ya madụ nile bụ ndi-isi. N'ezie mgbe nile Ọ na-anọ n'ụwa a, ọ bụ Ya bụ Ihe nke ụwa a nwere! Ọ ka nọ n'ime ụwa taa. Oke enyi M. Ọ na-abịakwute anyi site n'ọbịbịa nke Onye ahụ bụ Mọnsọ. Ma ọ bụghị ma Okpara Chineke meghere anya anyị site n'ike nke Mọnsọ mee ka anyị hụ ihe nke ime mmụọ, anyị ga-anọ n'ịbụ ndi-isi dịka ụsụ abalị !

Kraịst aghaghị ibitụ onye isi ahụ aka, ebe onye-isi ahụ na-aghaghị irubeere Kraịst isi. Kraịst aghaghị ibitụ ọhụhụ ụzọ nke ime mmụọ anyị aka wee si otu ahụ weta ndụ ọhurụ nye akwara eji ahụ Ihe nke ime mmụọ anyị. Ihe dị mkpa abụghị onye mehiere, " Nihi na madụ nile mehiererị, mee na ha enweghị ike ime Chineke obi aṅụrị mgbe ọbụla na n'ụzọ ọbụla"(Rom3:23). Ọ bụrụ na Kraịst aka ebitughị gị aka, Ị hụwabeghị ụzọ ọbụla.

Ọ dị ọtụtụ madụ nọ na Nzukọ anyị ha taa kpuru isi na-amaghị na ha bụ ndi isi. Nke ahụ bụ ụdị ihe Pọntịọs Payịlet mere mgbe ahụ ọ jụrụ sị, "Ọ bụ gịnị bụ Ezi-okwu?'(Jọn 18:38), mgbe ọ na-eguzo n'iru Onye ahụ kwururị sị, "Mụ Onwe M bụ Ụzọ, na Ezi-okwu na Ndụ"(Jọn 14:6). Anyị kwesirị ikwe ka Kraịst bitụ anya anyị aka iji mee ka anyị hụ ụzọ.

I kwesirị ịhụ na ọ bụ ezie na Kraịst biturụ nwoke a aka ma nwoke ahụ ahụghị ya anya mere Jisọs ji sị ya ga saa anya ya miri, bụkwa ihe o rubere isi je mee. Ka M mee ka o doo anya na ụkpụrụ agbasoro wee gwọọ nwoke a abụghị ihe ka mkpa ịmata. Ihe ka mkpa bụ onye gwọrọ isi ahụ. Ọ bụ Kraịst meghere anya ya. Ihe dị nwoke isi ahụ mkpa bụ ịtụkwasị obi na irube isi.

Jisọs ji ụkpụrụ dị iche iche gwọọ ndi madụ. Ma n'ezi okwu ihe dị mkpa karịa bụ na ha ịbịakwute Ya, kwere na Ya, wee rubeere Ya isi. "Agaghị M ajụ, wee chụpụ onye ọbụla nke na-abịakwute

M"(Jọn 6:37). Ihe dị ezi mkpa ịnabata bụ Onye Jisọs Kraịst bụ nye anyị.

Achọrọ M ịkwụsị n'ebe wee gosi anyị otu ndụ anyị si dịka nke onye isi ahụ tutuu azọpụta anyị.

1. Onye-isi ahụ anọghị n'ime Ulo-nsọ uku ahụ, bụ ihe yiri ịnọ Chineke n'ebe dị anya. Nke ahụ bụ ọnọdụ nke madụ nile rue mgbe eji zọpụta ha: enweghị Chineke, enweghị olile-anya, ịbụ onye akpọchibidoro ọnụ-ụzọ.
2. Nwoke ahụ kpuru isi. O nweghị ike ịhụ Onye Onye-Nzọpụta ahụ bụ. Anyị bụrị ndi isi mgbe ahụ anyị na-amaghị Kraịst. Kwuo ezi okwu, Ị matara na Ọ bụ Onye-nzọpụta mgbe ana-azọpụtabeghị gị? Ọ bụ Onye dị ebube nye gị n'oge ahụ? Mba! nihi na anyị bụrị ndi isi n'oge ahụ!
3. Nwoke ahụ bụ onye isi siterị n'afọ nne ya. Amụrụ anyị n'ime nmehie.

   Anyị batara n'ụwa dịka ndi nmehie.

4. Madụ ọbụla enweghị ike inyeere onye isi ahụ aka ọbụla. Onweghị onye pụrụ ịgwọ isi ya ahụ. N'otu aka ahụ anyị onwe anyị bụrị ndi nmehie nke madụ ọbụla na-amaghị ihe ha pụrụ ime ije napụta anyị.
5. Ọ bụrị onye arịrịọ. Nke a bụ ihe na-ewute ọtụtụ ndi nọ n'ọnọdụ ịbụ ndi nmehie. Ha na-ajụ ịnabata ka agwa ha na ha bụ ndi arịrịọ. Ha na-adị njikere ịkwụ ụgwọ iji zụtaara onwe ha nzọpụta ha, ma nzọpụta abụghị ngwa-ahịa. Ị ghaghị ịbịakwute Chineke dịka onye arịrịọ, otu ahụ nwoke a bụrị, ma ọ bụrụ na Ị ga-anata nzọpụta.
6. Onweghị ihe ọ rịọrọ Jisọs. Batayịmọs tiri mkpu n'esepụghị ọnụ, ebe onye nke a nọdụrụ jii n'ebe ahụ ọ nọdụrụ ala. Ọ maghị onye Jisọs bụrị. O weere ogologo oge tutu ya too n'amara na n'ihe ekwesirị ịma banyeere Jisọs Kraịst. Anyị nile bụrị ndi iro nke

Chineke mgbe ahụ Ya Onwe Ya hụworo anyị n’anya wee nwụọ iji zọpụta anyị.

7. Ndi ọzọ enweghị onye meere ya ọmaiko ọbụla. Ndi Juu na-agafe ya mgbe ha na-abanye n’ime Ulo-nsọ uku ahụ. Ndi na-eso ụzọ chọrọ ịmalite ịrụ ụka banyeere ọnọdụ isi ya. O nweghị ihe gosirị na ha chọrọ imeere nwoke a ebere n’ụzọ ọbụla. Ha dịghị njike imeere ya ihe ọbụla. Nke ahụ bụ ngosi onyoghonyogho nke Agbụrụ nke madụ nile ahụ. Kraịst na-enwe ọmaiko nihi anyị, ọ bụkwa nanị Ya nwere ike na enyem aka nihi anyị.

## *IHE NDI MADỤ MERE BANYEERE ỌLỤ EBUBE AHỤ*

Onye kpurụrị isi na-enwe ihe dị iche banyeere ya. Ọ naghịkwa asọgharị nkpara ya ịchọ ụzọ ụla, kama ọ na-eji anya ya hụ ụzọ wee laruo ulo ya ugbu a. Ana M eche na nwoke a narị eti mkpu na-asị, “Haleluya, ana M ahụ ụzọ ugbu a.”

1.Ndi agbata obi—So M gụa Jọn 9:8-12:

*“8 Ya mere ndi-aḅata-obi-ya, na ndi nāhu ya-ri n'oge gara aga, na ọ bu onye-aririọ, ha nāsi, Onye a, ọ̀ bughi onye nānọ ala nāriọ kwa aririọ? 9 Ndi ọzọ nāsi, Ọ bu ya; ndi ọzọ nāsi, É-è, kama o yiri ya. Ya onwe-ya siri, Mu onwem bu ya. 10 Ya mere ha nāsi ya, Èsi kwa aṅa meghe anya-gi? 11 Onye ahu zara, si, Nwoke ahu anākpọ Jisus gwọrọ ájá, te kwa ya n'anyam abua, sim, Je Sailoam, sa miri: ya mere ejerem, sa miri, ewe me ka M'hu uzọ. 12 Ha si ya, Òle ebe Onye ahu nọ? Ọ si, Amataghm.”*

Jiri uche gị jeruo n’agbata ulo ebe nwoke a birị, gịnị ka Ị hụrụ? Otu onye gụzo na-elepụ anya site na mpio ulo tiri mkpu sị, “Lee ka onye isi ahụ na-abịa.” Nwunye ya wee jeruo n’ọnụ ụzọ iji soro lee ma ihe ọ kwuru bụrị, “Ihe ahụ abụghị onye isi anyị ma nke ọma nihi na nke a na-ahụ ụzọ. Ma nke bụ ezi okwu bụ na o yiri nwoke isi ahụ nke uku.” Nke ahụ mere o ji dị mkpa na ya onwe ya ga-eji ọnụ ya gwa ndi agbata ulo ya onye ọ bụ.

Ndi agbata obi ya matara na o nwewo ihe mere na ndụ ya. Echeghị M na ọ bụrụ na azọpụtawo gị n’ezie, ọ bụrụ na I sitewo n’isi wee bido ịhụ ụzọ, na Ị pụrụ ịga n’iru ibi ndụ nke ndi agbata obi na-agaghị ahụ na Ị gbanwewo. Ma o nnweghị ihe gosirị na mgbanwe adịwo, nke na-egosi na mmekpu ka dị n’ebe zoro ezo na ndụ dị ot ahụ.

Otu nwoke a si na-agba ama ya masịrị M nke uku. Ihe okwuru bụ nanị nke ọ nwapụtara--ọgbụgba-ama dị nma, jupụtara n’ezi okwu na obi ọcha. Nghọta ya na-adịwanye uku ka ọ narị aga n’iru ịgba ama ya. Rịba ama otu okwu Chineke si zuo oke n’ikwu ihe mere. Ọ sịghị, Jisọs gbụrụ asụ miri gwọkọta ya na aja. Ọ nweghị ike hụ nke ahụ mgbe ahụ ọ bụrị onye kpuru isi. Ihe ọ matara bụ na o nwere mmetụ n’arụ ya mgbe ahụ Jisọs tere ya aja apịtị ahụ n’anya. Ama ọ gbara dị nta bụrụkwa ezi okwu.

2. Ndi Farịsii—Ka anyị gụkọọ Jọn 9:23-16 n’otu:

*“13 Ha kutara ndi-Farisi onye ahu nke kpuru ìsì n'oge gara aga. 14 Ma ọ bu ubọchi-izu-ike n'ubọchi Jisus gwọrọ ájá, we meghe anya-ya. 15 Ya mere ndi-Farisi ju-kwa-ra ya ọzọ otú emere ọ hu uzọ. Ọ si ha, Ọ tukwasiri ájá n'anyam abua, m'we sa miri, nāhu kwa uzọ. 16 Ya mere ufọdu n'etiti ndi-Farisi nāsi, Nwoke a esiteghi n'ebe Chineke nọ, n'ihi na O dighi-edebe ubọchi-izu-ike. Ma ndi ọzọ nāsi, Nwòke bu onye-nmehie si aṅa pu ime ihe-iriba-ama di otú a? Nkewa we di n'etiti ha.”*

Ọzọkwa ọgbụgba ama nwoke ahụ dị nkenke. Ị pụrụ iche na ndi Farịsii ga-aṅụrị ọṅụ nihi ọgwụgwọ agwọrọ nwoke a kpururị isi. Ị ga-eche na mkpu Haleluya ha gaara ada ezi ụda. Ọ dịghị otu ahụ banyeere “ụmụ-agwọ ọbara njụ oyi” ndị ahụ! Leenụ ihe ndi Farịsii ndi ahụ mererị. Ha nwere mgbagwoju anya na iwe na onye isi hụrụ ụzọ.

Apụghị ịrụpụ ya n’ụka na ndi-ikom ndi ahụ bụ ndi nwere akọ n’uche ime ihe ọjọọ nke uku. Ana M eche na ha gaara emeri ndi nke amamihe ndi mba Grik ma asị na ha gara ịma aka n’echiche. Ha bụrị ndi nka siri ike n’arụmarụ ụka. Ha ga-eji ụkpụrụ iji ụzọ esiworo mee ihe ndi ọzọ na mbụ arụ ụka ha ugbu a. Ha nwere isi okwu, nke na-akwado ya na nke eji

emechi okwu. Ọ bụrụ na isi-okwu na nke eji kwadoo ya bụ ezi okwu, nke ahụ pụtara na okwu mmechi okwu ahụ ga-abụ ezi okwu. Ma ọ bụrụ na nke ọbụla n'ime isi-okwu na nke na-akwado ya bụ ụgha, mmechi ya ga-abụ ụgha. Lee otu ha si rua ụka ha:

Isi-okwu—Ndi nile Chineke zitere na-edo ụbọchị Sabat nsọ.

Okwu-nkwado ya—Jisọs anaghị edebe ụbọchị sabat nsọ.

Okwu-mmechi ha—Jisọs abụghị Chineke zitere Ya.

Isi-okwu ha ahụ bụ ụgha mere ka ọtụtụ madụ ghara ịme nkpebi bụ ezi okwu. Asị na isi-okwu na nke ahụ ha ji kwadoo ya bụ ezi okwu, Nkpebi ha gaara abụ n'ime ezi okwu dị otu a:

Isi-okwu--Ọ bụ nanị ndi Chineke zitere pụrụ imeghe anya onye kpuru isi site n'afọ nne ya pụta.

Okwu-nkwado—Jisọs meghere anya onye a kpuru isi.

Okwu-nkpebi---Ọ bụ Chineke zitere Jisọs/ O sitere n'ebe chineke nọ bịa!

Ọ bụ ihe mwute bụ ịhụ na ụdị esemokwu dị otu a na-aga n'iru n'ime Nzukọ anyị ha taa. Ana-arụ ụka banyeere ọtụtụ ihe ndi na-adịghị mkpa taa, ebe igwe ndi na-ekweghị ekwe, ka bi n'isi nke anụghị Oziọma, na-anwụ wee na-ekpoju n'ọkụ ala-mmụọ. Ihe ana-arụ n'ụka ka bụkwa nke ochie ahụ bụ, "Ọ naghị edebe Sabat nsọ"—nke pụtara "Ọ naghị eme ya otu anyị si eme ya."

Ngwa ka anyị gụkọọ Jọn 9:17-18 n'otu:

*17 Ya mere ha si onye-ìsì ahu ọzọ, Gini ka gi onwe-gi nēkwu bayere Ya, n'ihi na O meghere anya-gi? Ọ si, Ọ bu onye-amuma. 18 Ya mere ndi-Ju ekweghi okwu bayere ya, na o kpururi ìsì, na eme-kwa-ra ya ka ọ hu uzọ, rue mḅe ha kpọrọ ndi muru onye ahu emere ka ọ hu uzọ,*

N’ime arụmarụ ụka ha ha jụrụ sị, “kedụ otu onye na-abụghị onye nmehie ga-esi mee ụdị ọlụ ebube dị otu a?” Ọ bụ ihe a nyeere onye isi ahụ agwọrọrị aka n’uto nke nghọta ya. Ọ bụrụ na Onye nmehie apụghị ime ụdị ihe dị otu a, ma ọ bụ site n’onye dị otu ahụ ka ya onwe ya sitere hụ ụzọ, nke ahụ pụtara na Ọ bụrịrị onye amụma! Ọ ghaghị ịbụ Onye Chineke zitererị. Nwoke isi ahụ agwọrọ agwọ azọgharịwo ụkwụ ije ya n’echiche.

*“Ma ndi Juu ahụ ekweghị n’ihe ekwuru banyeere nwoke ahụ.”* Mgbe ụmụ-madụ na-achọghị ikwere n’ezi okwu ọ na-atụ n’anya bụ ihe ha na-amalite ịtụtụrị iji zeere ịnụ ezi-okwu ahụ. Nihi na ha jụrụ ịnabata ama nwoke ahụ gbara nye ha, ha kpọbatara ndi mụrụ ya.

3. Ndi mụrụ nwoke ahụ--Lee ihe Jọn 9:19-23 kwuru:

*19 we jua ha, si, Onye a, ọ̀ bu nwa-unu, onye unu nāsi na amuru ya n'ìsì? ò si kwa aṅa hu uzọ uḅu a? 20 Ndi muru ya zara, si, Ayi matara na onye a bu nwa-ayi, na amu-kwa-ra ya n'ìsì: 21 ma otú ọ nāhu uzọ uḅu a, ayi amataghi; ma-ọbu onye meghere anya-ya, ayi onwe-ayi amatagh: juana ya; o ruwo dìnkpà; ya onwe-ya gēkwuru onwe-ya. 22 Ihe ndia ka ndi muru ya kwuru, n'ihi na ha nātu egwu ndi-Ju: n'ihi na ndi-Ju kwekọrọri n'etiti onwe-ha uḅu a, ka esi n'ulo-nzukọ chupu onye ọ bula, ma ọ buru na ọ gēkwuputa na Ọ bu Kraist. 23 N'ihi nka ndi muru ya siri, O ruwo dìnkpà; juana ya.*

Nke ahụ bụ ime ka enwe nkwekọrịta n’etiti otu okpukpeere-chị bụkwa nke na-eduba n’oke ịla n’iyi. Ndi ndu otu ofufe ndi ahụ na-achọ onye ha ga-ekobe ihe a n’olu, ebe ndi mụrụ nwoke a n’onwe ha na-achọ ịgbụrụ isi ha. Ndi ndu ndi a arụghị ụka ma nwoke ahụ ọ bụrị onye kpuru isi malitere ịhụ ụzọ ma ọ bụghị. Ọ bụ nanị ndi nka-nkụzi nke Maahadum anyị nke taa bụ ndi gara n’iru jụ ikwere n’ọlụ-ebube ndi ahụ Jisọs lụrụrị. Ndi nọ n’ebe ahụ arụghị ụka na-emere ihe ịrịba ama.

Ndi ahụ mụrụ nwoke a matara na alụrụ ọlụ-ebube n’ezie. Ma ha ejikereghị ịkọwa otu ihe mere si mee. Ha achọghị ka agbaa ha

nkpe site na ọgbakọ ha nihi na ụdị nkọwa ahụ ga-eme ka ha ghọọ ndi agbaghapụrụ iche site na mmekọrịta nke ndi ọgbakọ ha. Ha achọghị ịdaba n'ụdị nsogbu ahụ ma ọlị! Ebe ndi ndu otu ọgbakọ ahụ na-enweghị ike ịgọnarị na ọlụ-ebube mererị, ha achọghị ka enye Jisọs otuto nihi ya.

***Ya mere ha kpọrọ onye ahu nke uḅò abua, bú onye kpururi ìsì, we si ya, Nye Chineke otuto: ayi onwe-ayi matara na Nwoke a bu onye-nmhie[ọn 9:24].***

Ndi Juu ahụ laghachiri n'ịrụ ụka mbụ ha nke bụ: Nwoke a bụ onye nmehie nihi na Ọ naghị edebe ụbọchị Sabat nsọ. Ekelela nwoke a bụ Jisọs ekele. Ga tụọrọ chineke mma mma( n'Ulo-ụka). Asụsụ Chọch! Ọ bụghị ya? Ndi-nsọ uku!

***Ya mere onye ahu zara, si, Ma Ọ bu onye-nmehie, amataghm: otù ihe ka m'matara, na, ebe m'kpururi ìsì, uḅu a anamahu uzọ.[ọn 9:25].***

O jibeghị anya ya ahụ hụ Onye-nwe anyị Jisọs nke mbụ ya. Nke a bụ nke ugbo abụọ ya ha na-akpọ ya abịa n'ulo-ikpe, bụrụkwa ihe na-agwụ ya ike ugbu a. Na-agụghị nke ahụ, gere ọgbụgba ama ya*,"Nanị otù ihe ka m'matara, na, ebe m'kpururi ìsì, uḅu a anamahu uzọ."*

Nke ahụ bụ ọgbụgba ama nke onye nmehie ọbụla natara nzọpụta. Abụ M onye kpuru isi na mbụ ma ugbu a ana M ahụ ụzọ. Anọ M rị n'ọchịchịrị nke ime mmụọ na mbụ, ma ugbu a abatawo M n'ihe nke ime mmụọ. Amaghị M Kraịst na mbụ, ma ugbu a amatawo M Ya dịka Onye-nzọpụta M. Amaghị otu ọ na-adị gị onwe gị ma n'ebe M nọ, ogologo akụkọ n'ịgba ama anaghị amasịcha M nke ọma. Ana M eche na ụfọdụ ha aghọwo ihe akpụgharịrị akpụgharị teekwa ha agba dị aṅaa ime ka ha maa nma. Mgbe ụfọdụ ana-eme ka ihe ana-akọ bụrụ ihe gabighaworo wee mee ka onye na-akọ ya ghọọ *'odogwu dike'* n'ime akụkọ. Ha bụrị ndi ndu n'ime mpụ, maara ndi isi dị iche iche, ojongo manya abaghụ uru ọbụla ebe afọ ha dị ya, nsị, agbọ na ahụrụ na ahụ nile, rue mgbe ha nụrụ Oziọma wee 'chegharịa ma chigharịakwa'. ndi nụrụ ụdị akụkọ ahụ

ga-ala wee kpọkọta ndi enyi ha nile ka ha bịa gere “*akụkọ banyeere Mgbeke ma ọ bụ nke Okafọ*.” Ha na-anọ n’ịkọ banyeere ndi ahụ nke na ha anaghị echeta aha Jisọs Kraịst ma otu n’ogologo akụkọ ha. Enyi ọma M, ihe ka mụ mkpa ịnụ n’ọgbụgba ama bụ,”*Na mbụ ekpuru M rị isi ma ugbu a ana M ahụ ụzọ.”*

***Ya mere ha siri ya, Gini ka O mere gi? Ò si aṅa meghe anya-gi?[Jọn9:26].***

Ihe a were ndi Farịsii ezi iwe mere ha ji chọọ ịkwụsị ya. Ha chọsirị ihe ha ga-akụnye aka wee jiri ya kọwaa ka akwụsị ịhụ ihe ahụ mere ka ihe ịrịba ama pụrụ iche. Ọ dịrịghị ha mfe ịkọfu ya n’akụkọ otu ahụ ndi nka-nkuzi banyeere Chineke nke ọgbọ anyị gaara ejị akọfu ya n’akụkọ ha. Lee nwoke ahụ ka o guzo n’ebe a ugbu a jiri anya ya abụọ na-ahụ ụzọ.

Ka anyị nile gụkọọ Jọn 9:27-34 n’otu:

*27 Ọ zara ha, si, Agwaram unu ọbuná uḅu a, ma unu anugh: gini mere unu nāchọ inu ya ọzọ? ùnu onwe-unu nāchọ kwa ighọ ndi nēso uzọ-Ya? 28 Ha we kwutọ ya, si, Gi onwe-gi bu onye nēso uzọ Onye ahu; ma ayi onwe-ayi bu ndi nēso uzọ Moses. 29 Ayi onwe-ayi matara na Chineke agwawo Moses okwu: ma Onye a, ayi amataghi ebe O si puta. 30 Nwoke ahu zara, si ha, Ekwula, n'ihi na ihe-ebube di na nka, na unu onwe-unu amataghi ebe O si puta, ma Ọ meghere anyam. 31 Ayi matara na Chineke adighi-anu olu ndi-nmehie: kama ọ buru na onye ọ bula bu onye nēbi isi ala nye Chineke, nēme kwa ihe Ọ nāchọ, onye ahu ka Ọ nānu. 32 Site na nmalite oge a ọ dighi mḅe anuru na onye ọ bula meghere anya onye amuru n'ìsì. 33 Ọ buru na Onye a esiteghi n'ebe Chineke nọ, Ọ pughi ime ihe ọ bula. 34 Ha zara, si ya, Amuru gi onwe-gi nime nmehie, ọ̀ bu gi onwe-gi nēzí kwa ayi ihe? Ha we chupu ya n'èzí.*

Nwoke ahụ kpururị isi ebidowo imata ihe ha chọrọ ime, wee malite ịdụ ha ndụdụ nke ya, “*ùnu onwe-unu nāchọ kwa ighọ ndi nēso uzọ-Ya?”* O kwukwara ihe ọzọ o nyochapụtara n’agwa ha, jụọ ha sị, “*unu nāchọ inu ya ọzọ?”*Ọ bụghị nanị na ndi Farịsii kpuru isi nke mere ha ahụghị ụzọ, ntị chikwara ha rị ruo na ha apụghị ịnụ ntị.

Ndi ndu ọgbakọ ahụ baara ya mba kọọkwa ya ọnụ n'iwe. Ihe ọzọ I kwesirị ịhụ n'ebe a bụ na mgbe ndi madụ na-enweghị ihe ha ga-azaghachi, ha na-amalite iji gị mere ihe ọchị. Ha ejiwo nkpacha anya na amamihe ha kwara nwoke ahụ kwagaa n'ogo iji agụgụ isi eme ihe bụ ihe mere o ji mata na ọ bụ nanị madụ ọbụla nke sitere na Chineke pụrụ ime ụdị ihe ịrịba ama a mere n'arụ ya. O doro anya na-agwọwo ya, nke bụ ihe na-egosi na nwoke a bụ Jisọs aghaghị ịbụ Onye Chineke n'Onwe Ya zitere. Echefula na ọ ka ahụghị Onye Jisọs bụ ruo ugbu a!

Ndi ndu ọgbakọ a enweghị ihe ha nwere ike ịzaghachi. Ha emerighị ya n'ịrụso ya ụka ma ọ bụ nye ya nkọwa jụrụ ya afọ. Nke bụ ezi okwu banyeere ihe a juru ha anya wee si otu ahụ gbọọ ha "*Ta kwuchie ọnụ.*" Ọ bụzi gịnị ọzọ ka ha mererị? Ha chụpụrụ ya site na Ọgbakọ ha.Nchụpụ dị otu ahụ pụtara na ọ gaghị enwe ike ịbanye n'Ulo-nsọ uku ahụ ọzọ na ndụ ya. Ọ pụtakwara na ọ gaghị alụ ihe ọbụla bụ ọlụ ana-alụ alụ n'ala ahụ nile. O mere ka ọ ghọọ ihe ajụrụ ajụ, debe ya n'otu ọkwa ya na ndi ekpenta. Aka ya adịkwaghị n'ihe ọbụla akpọrọ mmekọrịta n'Izrael.

4. Onye isi ahụ agwọworo zutere Jisọs---Lee na Jọn 9:35-41:

*35 Jisus nuru na ha chupuru ya-ri n'èzí; O we chọta ya, si, Gì onwe-gi kwere n'Ọkpara Chineke? 36 Onye ahu zara, si, Ọ̀ bu kwa onye, Onye-nwe-ayi, ka m'we kwere na Ya? 37 Jisus siri ya, I huwo Ya, Onye gi na Ya nēkwu okwu bu kwa Onye ahu. 38 O we si, Onye-nwe-ayi, ekwem. O we kpọ isi ala nye Ya. 39 Jisus we si, Ọ bu ikpé ka Mu onwem ji bia n'uwa nka, ka ndi nāhughi uzọ we hu; ka ndi huru uzọ we ghọ kwa ndi-ìsì. 40 Ndi di n'etiti ndi-Farisi ndi ha na Ya nọ nuru ihe ndia, ha we si Ya, Àyi onwe-ayi kpu-kwa-ra? 41 Jisus siri ha, Ọ buru na unu kpuru ìsì, unu agaghi-enwe nmehie: ma uḅu a unu nāsi, Ayi nāhu uzọ: nmehie-unu nānọgide.*

Onye-nwe anyị Jisọs bịarụtere n'ọgbọ ahụ. Nwoke a agọchitewooro Onye-nwe anyị Jisọs wee merie ha, ma ndi ndu nke Ọgbakọ ahụ akwapụwo ya site n'etiti ha. Ọ bụ ihe ụtọ ịnụ na Onye-nwe anyị Jisọs bịakwutere ya n'oge dị otu ahụ. Enyi M, Ọ ka bụkwa Jisọs ahụ bụ Ya na-achọta madụ. Onye-nwe anyị ejikewo nwoke a kemgbe ahụ nile. Ugbu a

ihe fọọrọ ya ime bụ itinye okwukwe ya n'ime Ọkpara nke Chineke ahụ. Jisọs bịakwetere ya ugbu a wee jụa ya ajụjụ ahụ dị oke mkpa, nke bụ,"***I kweere n'Ọkpara Chineke?"*** Ihe ndi ahụ ọ gabighaworo emesiwo okwukwe ya ike kaa ya obi nke ọma. Onye-nwe anyị matara na o jikerewo ịzọ nzọ ụkwụ nke ọzọ dịịrị ya ịzọ. Obi nwoke a gheere oghe nke uku, kwesikwa ndabeere . Ọ jụrụ ajụjụ iji mata onye bụ Ọkpara Chineke ahụ ka ya kwere na Ya. Ị hụwo ụdị ịdị njike nke nwoke a dịrị. Ọ chọrọ ịga n'iru na njem nke Eligwe ya. Ọ na-agụ ya agụ ịmata Ya nke ọma. Ọ bụ ya mere Jisọs ji zaghachi ya n'ụzọ a jupụtara n'ịhụ n'anya, "*I huwo Ya, Onye gi na Ya nēkwu okwu bu kwa Onye ahu."* Nwoke ahụ kweere na Ya wee kpọọ isi ala nye Ya. Nke a bụ otu n'ime ngosipụta okwukwe anyị na-ahụ n'ime akwụkwọ-Nsọ nile. Onye-nwe anyị jị nwayọ duru nwoke a kpuworo isi nzọ-ụkwụ nzọ-ụkwụ rute ebe o nwere ike ịsị, "Onye nwe M, ekwerewo M," wee kpọọrọ Ya isi ala. Ọ bụ otu nzọ-ụkwụ ahụ dịrị onye nmehie ọbụla. Anyị kpuru isi na mmalite. Anyị bụ ndi nmehie furu efu na anaghị amata na anyị furu efu n'ezie. Anyi bịakwutere Ya O wee gosi anyị Onwe ya mee ka anya anyị meghee ịhụ wee mata Onye Ọ bụ na ihe O mewooro anyị. Ajụjụ na-eso nke ahụ na-abụ, "Ị ga-ekwe?" Ihe nwoke a zararị pụrụ ịbu ihe gị onwe gị kwesirị ịza, "Onye nwe M, ekwerewo M." Ị ga-ada n'ụkwụ ala Ya wee kpọọrọ Ya isi ala.

Asụsụ ahụ nwere otu ọ dị. Jisọs sị na enwere ndi nwere anya abụọ ma ha anaghị ahụ ụzọ. Ihe kọrọ ha abụghị anya kama ọ bụ amamihe nke ime mmụọ. Ọ bụrụ na madụ ọbụla ekwere na ya kpuru isi nke ime mmụọ wee bịakwute Jisọs dịka onye isi, Jisọs ga-enye ya ọhụhụ ụzọ nke ime mmụọ. Pọl dere otu a, *"Ma madu nke nkpuru-obi onwe-ya nāchi adighi-anata ihe nke Mọ nke Chineke: n'ihi na ha bu ihe-nzuzu n'anya-ya; ọ pughi kwa imara ha, n'ihi na ewere Mọ Nsọ sikwuputa ha"(1Kọr. 2:140.*

Enyi m, ọ bụrụ na Ị batawo ebe Jisọs, bụ Ihe nke ụwa a, na-ahụ ihe nile I na-eme wee gaakwa n'iru ịsị mgbe nile, "Ọ bụ gịnị bụ okwukwe?" ma ọ bụ, "Ahụbeghị M otu O ji bụrụ Onye-nwe M," ma ọ bụkwanụ,

“Aghọtaghị M ihe ihe ndi a pụtara,” I bidobeghị ịhụ ụzọ n’ezie. Ị ka bụ onye isi n’ime mmụọ gị. Ndi Farịsii ahụ nwerị anya abụọ, chee na ha na-ahụ ụzọ, bụrụ ndi na-alụ ọlụ Ọgbakọ, ndi nwere ọnụnụ-ọkụ nke obi, ma n’ezie ha bụrị ndi kpuru isi.

Ndi na-efeghị Jehova ofufe bụ ndi furu efu. Ha bi ndụ ha n’ọchịchịrị. Ma otu o silaghị dị, Onye-nwe anyị na-edu madụ nile agabigha site n’otu nzọ ụkwụ rue na ọzọ. Ọ bụrụ na madụ ọbụla n’etiti ndi ahụ na-efeghị Jehova ofufe chọ ịmata onye jisọs bụ, Onye-nwe anyị ga-eme ka Oziọma jeruere ya. Madụ ahụ nke nọ na Ulo-nzukọ na-anụ ka ana-ezi Oziọma site n’ebe mgbasa ozi na-anọ ọnọdụ n’ebe ihe dị nsọ na ncherịta iru. Ihe ahụ ga-eme ka amata ihe bụ ikpu-isi. Jisọs sị*, “...ọ buru na ìhè nke di nime gi bu ọchichiri, le ka ọchichiri ahu si buo oké ibù!”(Matiu 6:23).* Ọ bụrụ na Ị maara ihe banyeere Jisọs Kraịst, bụ Ihe nke ụwa a, wee ju ikwere na Ya, enyi M, nke ahụ pụtara na Ị ka kpụrụ isi nke ime mmụọ! O nweghịkwa ihe ọzọ apụrụ imeere gi n’ụwa a nile! Ọ bụrụ na Ị bịarụwo ebe Onye-nzọpụta nke ụwa a na-elekwasị gị anya na-ahụ ihe nile Ị na-eme, ka gaa n’iru ịjụ Ya, Onye-nzọpụta ọzọ adịkwaghị bụ nke aga-enye gị!

**OKWU NCHỊKỌTA**

AnyỊ ji akụkọ banyeere nwoke kpuru-isi nke emererị ka ọ hụ ụzọ n’ihe na n’ime mmụọ ya malite. Ndi anyị jị mechie bụ ndi na-achịkọta Ọgbakọ bụ ndi otu ha ji kpuo isi na-akpali mgbagwoju anya na ọmaiko, na-agụghị na ha narị eche na ọ bụ ha hụkarịrị madụ ndi ọzọ n’ụzọ. Mgbe ha guzo n’iru Kraịst bụ ihe nke ụwa a bụrụkwa nkpughe na-egosi Onye chineke bụ, ha gọrọ na ha enweghị nmehie ọbụla.